*Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.5 No.2 June, 2022; p.g. 51 – 63; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)*

# ODIDE ỌKỌWAOKWU NA IKIKERE MBIPỤTA: NTỤLEKỌRỊTA ỌKỌWAOKWU ECHERUO NA ỌKỌWAOKWU NNAJI

**PATRICK IK. UMEZI**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi,**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe,**
**Ọka**
**pi.umezi@unizik.edu.ng, +2348063883811**

**Ụmịedemede**

*Edemede a bụ maka odide ọkọwaokwu na ikikere mbipụta: Ntụlekọrịta ọkọwaokwu Echeruo na ọkọwaokwu Nnaji. Ihe odee bu n'obi bụ igosi na na-agbanyeghi na ọkọwaokwu niile na-eyi onwe ha, nke ọbụla dị iche n'ebe ibe ya dị. Ọ ga-ezipụta nke a site n'itụlekọrịta ọkọwaokwu Nnaji (1985) na Echeruo (2001). Nke a ga-apụta ihe site n'ịmata agwara ọkọwaokwu Echeruo na agwara ọkọwaokwu Nnaji nakwa ebe ọkọwaokwu abụọ a si yie onwe ha, ya na ebe ha si dị iche. Mgbe e mechara ntụlekọrịta a, ụfọdụ ihe ndị a chọpụtara na myiri dị Na ha bụ ndị a: ha abụọ bụ ọkọwaokwu nhọrọ, ha gbasoro usoro ndịnugbu, ha akọwamighi ọkọwaokwu ha akọwami, ha depụtara okwu nsina dị ka okwu kwụọrọ onwe ya, ha enweghi akụkọ usorookwu, tinyere na ha dị n'ụdị akwụkwọ. Ebe ha si dị iche gụnyere: Echeruo depụtara okwu ndị nwere otu echiche, mana Nnaji edepụtaghị ha, isiokwu Nnaji dị 9,877 mana Echeruo edepụtaghị ọnụọgụ nke ya, Nnaji tinyekwuru eserese iji mee nkọwa ya, mana Echeruo ji naanị mkpụrụokwu na ahịrịokwu mee nkọwa, Echeruo nwere okwu ndịnazụ, mana Nnaji etinyeghi okwu ndịnaazụ ọbụla. Nchọpụta ndị a gosiri na ọkọwaokwu abụọ a kwụọrọ onwe ha maka na ha agbasoghi otu usoro nhazi na usoro nkọwa.*

**Ọkpụrụkpụ okwu ga**: **Ọkọwaokwu, Odide ọkọwaokwu, ikikere mbipụta, Ọkọwaokwu Nnaji, Ọkọwaokwu Echeruo**

## Ndubanye

Ọkọwaokwu bụ nkenke ozi banyere okwu dị n'ọbaokwu asụsụ. Odide ọkọwaokwu na ikikere mbipụta ya na-adị iche n'odide na ikikere mbipụta akwụkwọ ndị ọzọ dị iche iche. Ka ihe si dị ugbu a, iwu obodo ọbụla na-amachi mmadụ iwere nchọpụta onye ọzọ na-ekwupụtaghị na ọ bụ ọrụ onye ahụ. N'ihi nke a, iji chekwawa ọrụ onye ọbụla, e nwere otu gọọmenti na-ahụ maka inye ọrụ onye ọbụla akara nhụbama, ISBN maka akwụkwọ na ISSN maka mbipụta kwa mgbe kwa mgbe.

Etu o sila dị, iwu a nyere nsogbu n'odide ọkọwaokwu. Nke a bụ maka na o nweghi odee ọkọwaokwu nwe mkpụrụokwu ọ na-ede maka ya; maka na odee niile so keta oke na ngwa ọkọwaokwu. Ebe ọ dị etu a, o nweghi odee ga-asị na ibe ya mapịrị ọrụ ya. Mana ebe iwu a dị ire bụ na mmadụ abụọ maọbụ karịa na-akọwa otu ihe ekwesighi iji otu okwu na otu usoro nhazi okwu were kọwaa otu isiokwu. N'ihi nke a, mgbe ọbụla odee ọkọwaokwu sị na ibe ya mapịrị ọrụ ya, ihe a ga-atụle bụ isiokwu, usoro nhazi na usoro nkọwa e jiri mee nkọwa n'ebe na-ese okwu.

Iji gosipụta nke a, ọ dị mkpa ka a tụlekọrịta ọkọwaokwu abụọ iji gosi ka ha si yie na kwa ka ha si dị iche. E nwere ụdịdị ọkọwaokwu dị iche iche. Ọ bụ eziokwu na ihe odee ọkọwaokwu

ọbụla na-ebu n'uche bụ idepụta mkpụrụ echiche niile mejupụtara asụsụ; mana ha na-agbaso usoro dị iche iche iji emejupụta echiche a. Nke a mere na ọkọwaokwu niile abụghị otu. Ya mere o ji dị mkpa ịtụlekọrịta otu ọkọwaokwu na ibe ya iji chọpụta myiri na ndịiche dị n'etiti ha.

Ka ihe si dị ugbu a, ọtụtụ ndị mmadụ agbaala mbọ n'ụzọ dị iche iche ide ọkọwaokwu n'asụsụ dị iche iche tinyere asụsụ Igbo. A bịa n'asụsụ Igbo, e nwere ọkọwaokwu dị iche iche na-ada ụda nke ọ bụ ụmụafọ Igbo na ndị abụghị ndị Igbo dere ha. ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a: Thomas (1969), Williamson (1972), Ọgbalụ (1962), Nnaji (1985), Egemba (1999), Igwe (1999), Echeruo (2001), Eke (2001), Oli, Nwaozuzu, na Mbah (2003).

Ka o si dị, ọkọwaokwu abụọ so n'ọkpọkọpị ọkọwaokwu nke ụmụafọ Igbo dere bụ ọkọwaokwu Echeruo (2001) na Nnaji (1985). Ọtụtụ ndị mmadụ agbaala mbọ ide ihe dị iche iche gbasara ọkọwaokwu; mana o nwebeghi nchọcha pụrụ iche e merela site n'ịtụle ọkọwaokwu abụọ a pụtara ihe n'asụsụ Igbo iji nye nkọwa maka odide ọkọwaokwu na ikikere mbipụta. Nke a gosiri na e nwere oghere metụtara mmụta dị ka o si gbasata odide ọkọwaokwu. Ọ bụ n'ihi nke a ka nwanchọcha ji bagide nchọcha a iji hụ na e mechiri oghere ahụ. Ọkọwaokwu abụọ a ga-atụle bụ Igbo-English Dictionary nke Michael J.C. Echeruo na Modern English Igbo Dictionary nke H.I. Nnaji.

Edemede a ga- aba uru n'ebe ọ dị ukwu maka na ọ ga-abụ ebe mgbakwasa ụkwụ maka ụmụakwụkwọ na-amụ asụsụ, na kwa ndị nkụzi ha; maka na ọ ga-abụ akarangwa maka ọmụmụ asụsụ dị iche iche; ọ kachasị ebe o si metụta amụmamụ okwu. Ọzọkwa, ọ ga-abụ ebe mgbakwasa ụkwụ maka ndị ọzọ ga-ede ụdị edemede a n'ọdịnihu.

**Nkọwa Ọkpụrụkpụ okwu ga**

N'ebe a ka nwanchọcha ga-enye nkọwa ọkpụrụkpụ okwu dị iche iche pụtara ihe na nchọcha a. Ha bụ ndị a: Ọkọwaokwu, Odide ọkọwaokwu, ikikere mbipụta, Ọkọwaokwu Nnaji, na Ọkọwaokwu Echeruo

**Ọkọwaokwu**

Nielsen (2008) kọwara ọkọwaokwu dị ka nchịkọta okwu n'otu asụsụ maọbụ karịa nke a haziri n'usoro ma nye nkọwa gbasara mpụtara ha, ụzọ e si eji ha arụ ọrụ n'asụsụ, nkejiasụsụ ha danyere na ya na kwa nkọwa ndị ọzọ dị iche iche.

Nnaji (1985) sị na ọkọwaokwu bụ mpụtara okwu dị iche iche a haziri n'usoro a b ch; ma nye nkọwa ha n'otu n'otu.

Echeruo (2001) dere na ọkọwaokwu bụ akwụkwọ na-edepụta okwu dị iche iche n'usoro ma nye nkọwa ha n'ime otu asụsụ maọbụ site n'otu asụsụ sụgharịa okwu n'asụsụ ọzọ.

Nkọwa ndị a niile dịcha mma ma dịkwuazi mkpa. Mana dị ka o si gbasata edemede a, odee na-akọwa ọkọwaokwu dị ka nkenke ozi gbasara nkọwa okwu dị iche iche nke na-agbaso nsirihụ na nhazi dị iche iche site na mkpalite odee ọkọwaokwu ahụ.

**Odide Ọkọwaokwu**

Dzharasova (2020) sị na odide ọkọwaokwu bụ otu n'alaka lingwistiik mbamuru, nke gbadoro ụkwụ na nchịkọta, nhazi, ntụlekọrịta na mmeghari ọkọwaokwu dị iche iche na-enye aka na nkọwa okwu n'asụsụ dị iche iche.

Dị ka o si metụta nchọcha a, nwanchọcha na-akọwa odide ọkọwaokwu dị ka ịchịkọta mkpụrụokwu dị iche iche n'asụsụ dị iche iche ma nye nkọwa ha nakwa etu e si eji ha arụ ọrụ n'asụsụ dị iche iche.

**Ikikere Mbipụta**

Carietta (2011) kọwara ikikere mbipụta dị ka ikikere gọọmenti etiti obodo ọbụla na-enye onye o doro anya na ọ bụ ya nwe ọrụ ọbụla, iji wepụta, ree, gbanwoo maọbụ megharịa ọrụ ya n'ụzọ ọbụla nke iwu nabatara. Ikikere a na-egbochi onye ọzọ imepụta maọbụ megharịa ọrụ onye ọzọ n'ụzọ aghụghọ.

Nwanchọcha na-akọwa ikikere mbipụta dị ka iwu obodo ọbụla nke na-amachi mmadụ iwere ihe ọbụla n'ọrụ onye ọzọ na-akọwapụtaghị na ọ bụ ọrụ onye ahụ.

**Ọkọwaokwu Nnaji**

Ọkọwaokwu Nnaji bụ otu n'ime Ọkọwaokwu e nwere n'asụsụ Igbo. A kpọrọ ya, *"Modern English Igbo dictionary with illustrations"*. Ọ bụ H.I. Nnaji dere ya n'afọ 1985. Ụlọọrụ mbipụta ya bụ Gonaj Books nke dị n'Ọnicha; ebe akara nhụbaama mbipụta ya bụ ISBN 97830119708.

**Ọkọwaokwu Echeruo**

Ọkọwaokwu Echeruo bụ otu n'ime Ọkọwaokwu e nwere n'asụsụ Igbo. A kpọrọ ya *"Igbo-English dictionary: A comprehensive dictionary of the Igbo language with an English-Igbo index."* Ọ bụ Michael J.C Echeruo dere ya n'afọ 2001. Ụlọọrụ mbipụta ya bụ Learn Africa plc nke dị n'Ikeja; ebe akara nhụbaama mbipụta bụ ISBN 9780264744.

**Nchọcha e merela n'isiokwu**

Nwosu (2010) kọwapụtara ebumnobi ya site n'ime ka ndị mmadụ mara mkpa ọ dị bụ inwe ọkọwaokwu ndị e dere n'asụsụ Igbo. Ọ gbasoro usoro nchọcha sovee nke mere na ọ bara n'ime obodo dị iche iche n'ala Igbo na kwa n'ebe a na-enye ndị dịbịa Bekee ọzụzụ were chọpụtasịa aha akụkụ ahụ mmadụ dị iche iche. Ọ chọpụtara na na-agbanyeghi na o nwere aha izugbe a na-akpo akụkụ ahụ mmadụ dị iche iche, akụkụ ahụ ndị a nwekwara aha dị iche iche n'olundị dị iche iche. Ọ kwadoro echiche Darbelnet (1977) onye kọwara nsụgharị dị ka iwere mpụtara na echiche dị na mkpụrụokwu maọbụ ahịrịokwu sitere n'otu asụsụ wefee ya n'asụsụ ọzọ.

Ezikeojiakụ (2004) site na nchọcha o mere banyere ntọala ọkọwaokwu, chọpụtara ma kọwapụta na odide ọkọwaokwu malitere n'ọkọwaokwu nsụgharị. Ọ malitere na senturi nke ise n'oge Kristi (*5th century AD*), mgbe ndị njem mgbasa oziọma na ndị ahịa na-eji ya achọta mpụtara okwu ndị tara akpụ n'asụsụ ọhụrụ nke ha nwetara onwe ha na ya.

Enweonye (2013) mere ka a mata mkpa ọ dị inwe ezigbo ọkọwaokwu Igbo. Ebumnobi ya bụ igosi mkpa ọ di inwe ọkọwaokwu Igbo ga-ezipụta echiche ndị Igbo gbasara akụnaụba. Ọ kọwapụtara na mmepe na-agazu ụwa niile. N'ihi nke a o kwesiri ka e nwee ọkọwaokwu Igbo

ga-abụ a kwaa a kwụrụ ma zuo oke n'ihe niile gbasara akụnaụba. Ọ kwadoro echiche Emenanjọ (1978) nke sị na ọkọwaokwu Igbo dị nnukwu mkpa maka na ọ ga-enye aka n'ụzọ pụrụ iche n'izipụta ma chekwaa asụsụ Igbo izugbe.

Edemede Enweonye a bara uru nke ukwuu maka na o mere ka ndị mmadụ mata mkpa ọ dị ka asụsụ Igbo sonye na mmepe mba ụwa niile site na inweta okwu ọhụụ mgbe ihe ọhụụ pụtara ọ kachasị etu o si metụta akụnaụba.

Gibbon na Borchardt (2008) gbara nnukwu mbọ iji mejupụta ebumnobi ha nke bụ ịzụlite ndị odee ọkọwaokwu n'ọwụwaanyanwụ Afrịka n'ihazi na kwa ichekwawa mkpụrụokwu dị n'asụsụ dị iche iche. Nke a bụ ịtọ ntọala maka ịkụzi amụmamụ okwu dị ka mpaghara amụmamụ asụsụ etu o si metụta asụsụ na mba Afrịka. Ha jiri Mahadum Cocody, Abijam, Cote d'Ivoire na Mahadum Uyo, Naijiria were mee ebe nchọcha ha. Ha chọpụtara na n'ọdịnihu ọmụmụ banyere nchịkọta na nchekwa akarangwa asụsụ ga-ekwe omume na Mahadum ndị dị etu ahụ. Nchọcha Gibbon na Barchardt bara uru nke ukwu banyere amụmamụ okwu na ngalaba asụsụ na Mahadum dị iche iche.

**Agwara Ọkọwaokwu**

Dịka o si dị na ndubanye, ọkọwaokwu bụ nkenke ozi banyere okwu dị n'ọbaokwu asụsụ ọbụla. E nwere ụdịlị okọwaokwu dị iche iche. Ebumnuche odee ọkọwaokwu ọbụla bụ idepụta mkpụrụ echiche niile mejupụtara asụsụ ahụ; mana ụfọdụ n'ime ha anaghị edepụtacha mkpụrụokwu mejupụtara asụsụ, dị ka ndị na-ede ọkọwaokwu nhọrọ.

Ọ bụ eziokwu na ọkọwaokwu niile abụghị otu, mana o nwere usoro o dee ọkọwaokwu ọbụla ga-agbaso iji gosi na ọ bụ ọkọwaokwu ka ọ na-ede. Nke a bụ ntụ e ji esi ọkọwaokwu ọbụla iji mata ma ọ bụkwa ezie. Ndị a bụ njirimara ọkọwaokwu:

**Oke:** Odee ọkọwaokwu ga-ekpebi etu ọkọwaokwu ya ga-ahadebe.

**Nsirihụ:** Mgbe odee kpebichara etu ọkọwaokwu ya ga-ahadebe, ọ ga-atụlekwa etu ọ ga-esi kọwaa okwu ya.

**Nhazi:** Ihe ọzọ odee ga-atụle bụ nhazi nkọwa ederede ya. Nke a metụtara ma ọ ga-akọwami okwu ya akọwami, ma ọ gaghị akọwami ya.

**Ndịna ọkọwaokwu:** Mgbe odee kpebichaara etu ọ ga-esi hazie ọkọwaokwu ya, ọ ga-ebidozi ide ọkọwaokwu n'onwe ya. Ọ kọwaokwu asụsụ nwere mpaghara atọ. Ha bụ: okwu ndịnihu, ahụ ọkọwaokwu na okwu ndịnazụ.

**Okwu ndịnihu:** Nke a na-agụnye ntụzi aka niile a na-enye ọgụụ gbasara ịchọta, ịghọta na okwu mmalite nye ya bụ ọkọwaokwu.

**Ahụ ọkọwaokwu**: Nke a gụnyere ihe ndị dị na ọkọwaokwu site na A ruo na Z. Ihe ọ gụnyere bụ isiokwu niile a kọwapụtara na ya na kwa etu e si kọwaa ha.

**Okwu ndịnaazụ:** Ndịnaazụ bụ akụkụ nke atọ ọkọwaokwu kwesiri inwe. Ọ na-ebido n'ebe mkpụrụ edide nke ikpeazụ jedebere. Ọ na-adị n'ụdị mgbakwụnyere, ma na-agụnye okwu ndị dị mkpa ndị kwesiri ịbanye n'ahụ ọkọwaokwu mana ha abanyeghi.

**Agwara Ọkọwaokwu Echeruo**

**Aha ọkọwaokwu:** Igbo-English Dictionary (A comprehensive Dictionary of the Igbo Language with a English-Igbo Indeụ) – Michael J.C. Echeruo

**1) Oke**

Ọkọwaokwu a bụ ọkọwaokwu nhọrọ. Ebumnobi odee abụghị ịkọwa okwu Igbo niile.

**2) Nsirihụ**

Ọ gbasoro usoro ndịnugbu, maka na ọ na-akọwa okwu dị ka e si eji ya arụ ọru n'oge ugbu a. ọ naghị akọwa nsiripu, nsirigbanwe na nsiridị okwu.

Ọzọkwa ọ haziri ọkọwaokwu ya n'usoro A B CH. N'aka nke ọzọ, a bịa n'olu ya, ọ na-elegara ọkọwaokwu ya anya dị ka ngwaọrụ nke onye ọbụla chọrọ ịmata maka okwu ndị a. Ọ hazighi olu ya ka ọ masị onye ọbụla. Ọmụmaatụ: (1) **akịdị** *n* (LHL) cowpea.
2) **Bawanye** *v* (HHH) increase (3) **Chuo** *v* (LH) fetch

**3) Nhazi**

A bịa na nhazi, ọ kọwamighi okwu ya akọwami maka na ihe o dere bụ ọkọwaokwu nsụgharị. Ọ bụ n'asụsụ Bekee ka o si sụgharịa okwu n'asụsụ Igbo; sikwa n'asụsụ Igbo sụgharịa okwu n'asụsụ Bekee. Ọmụmaatụ: (4) **Azịza** n (HHL) broom (5) **Efere** *n* (HHH) dish (6) **Jar** *n* ololo (HHH) (7) **Kill** *v* gbuo (HH)

**4) Ndịna Ọkọwaokwu**

**a) Okwu ndịnihu**

Nke a bụ ntuziaka e nyere ọgụụ gbasara ịchọta, ịghọta na okwu mmalite banyere ọkọwaokwu a. Etu a ka o si dị: Nhunyere, eserese ala Igbo, ndịna ọkọwaokwu, ndebirisi, mkpọlite banyere ọkọwaokwu Igbo, ozi ekele na edensibịa.

**b) Ahụ Ọkọwaokwu**

**i) Isiokwu**

E dejiri isiokwu edeji na ọkọwaokwu Echeruo. E dekọkwara isiokwu ọbụla ọnụ; e depụtaghị ha na nkebiokwu na nkebiokwu. Ọzọkwa, ha ebughi akara ụdaolu n'elu ha dị ka o si dị n'ụfọdụ ọkọwaokwu ọgbara ọhụụ, kama e depụtara akara ụdaolu n'akụkụ isiokwu ọbụla. ọmụmaatụ: (8) **abụzụ** *n* (HHL) cricket (9) **daba** *v* (HL) coinside

**ii) Okwu nsina Nnweta**

Ọkọwaokwu Echeruo na-edepụta okwu nsina dị ka okwu kwụụrụ onwe ya. Ha na-anọpụ iche n'okwu ha si na ya pụta.

Ọmụmaatụ: (10) **abalị** *n* (LLL) night (11) **abalịisi** *n* (LLLLL) dead of night
(12) **abalị-dị-egwu** *n* (LLL-L-HL) robbers

**iii) Okwu myinụda**
Ọkọwaokwu a na-ahụta isiokwu ndị yiri onwe ha na nsupe, na otu ụda ma nwee mpụtara dị iche dị ka okwu myiwere.

Ọmụmaatụ: (13) **abalị** *n* (LLL) night (14) **abalị** *n* (LLL) climbing rope
**iv) Ọnụọgụ isiokwu**
Ọkọwaokwu a enweghi ebe o gosipụtara mkpụrụokwu ole mejupụtara ya.

**v) Ozi gbasara ụtọasụsụ**
A bịa n'ozi gbasara ụtọasụsụ, ọkọwaokwu a gosipụtara nkejiasụsụ okwu ọbụla dị na ya tinyere ụdaolu nke ọbụla bu. Ọmụmaatụ: (15) **gafeta** *v* (HLH) come over (16) **ịhụnaanya** *n* (HLHH) love (17) **asatọ** *num* (LHH) eight

**vi) Akụkọ usorookwu**
Ọkọwaokwu a enweghi akụkọ usorookwu n'ihina ọ bụ ọkọwaokwu nsụgharị. Ọ kọwamighi okwu akọwami. Ya bụ na ọ kọwaghị etu okwu ọbụla siri malite na kwa mgbanwo ọ gabigarala tupu ọ dị etu ọ dị ugbu a.

**vii) Myinechiche**
Echeruo tinyere olundị dị iche iche n'isiokwu n'ọkọwaokwu ya iji gosi okwu ndi nwere otu echiche. Ọmụmaatụ: (18) **abanị** *n* (LLL) night (19) **abalị** *n* (LLL) night (20) **añasị** *n* (LLL) night (21) **anyasị** *n* (LLL) night

**viii) Ngosipụta**
Echeruo ji ahịrịokwu na nkeji ahịrị dị iche iche were nye nkọwa gbasara isiokwu na ọkọwaokwu ya. Ọmụmaatụ: (22) **abịa** *n* (HLL) ritual drum used during certain festivals.

**ch) Ndịnazụ**
A bịa na ọkọwaokwu a, ndịnaazụ ya gụnyere ntụ mgbakwụnyere banyere ọnụọgụ na okwu ndị ọzọ dị iche iche.

**5) Ọdịdị Ọkọwaokwu**
Ọ bụ ọkọwaokwu dị n'ụdị akwụkwọ.

**6) Ikikere Mbipụta na ụlọọrụ Mbipụta**
Akara nhụba ama mbipụta ya bụ ISBN 9780264744, ebe ụlọọrụ mbipụta ya bụ Learn Africa plc; Lagos. Afọ mbipụta mbu ya bụ 2001

**Agwara Ọkọwaokwu Nnaji**
**Aha ọkọwaokwu:** Mordern English-Igbo Dictionary with Illustrations – H.I. Nnaji

**1) Oke:**
Ọkọwaokwu a bụ ọkọwaokwu nhọrọ. Ebumnobi ya abụghị ịkọwa okwu Igbo niile.

**2) Nsirihụ**
Ọ gbasoro usoro ndịnugbu, maka na ọ kọwara okwu dị ka e si eji ya arụ ọru n'oge ugbu a. Ọ naghị akọwa nsiripu, nsirigbanwe na nsiridị okwu.

Ọzọkwa, ọ haziri ọkọwaokwu ya n'usoro A B CH D. N'aka nke ọzo, a bia n'olu ya, ọ na-elegara ọkọwaokwu ya anya dị ka ngwa ọrụ nke onye ọbụla chọrọ ịmata maka okwu ndị a. Ọ hazighi olu ya ka ọ masị onye ọbụla.
Ọmụmaatụ: (23) **aback** *adv*. azụ (24) **baboom** *n*. adaka (25) **cache** *n*. ebe nzuzo

**3) Nhazi**
A bịa na nhazi, ọ kọwamighi okwu ya akọwami maka na ihe o dere bụ ọkọwaokwu nsụgharị. Ọ bụ n'asụsụ Bekee ka e si sụgharịa okwu n'asụsụ Igbo. Ya bụ na o deghi nsirinweta na nsirigbanwo okwu ọbụla. Ọmụmaatụ: (26) **concord** *n*. nkwekọrịta

**4) Ndịna Ọkọwaokwu**
**a) Okwu Ndịnihu**
A bịa na ọkọwaokwu Nnaji, okwu ndịnihu gụnyere: Ozi ekele, ndebirisi, ndubanye, ikikere odee, nhunyere, usoro A B CH, ozi nkwado nke ndi SPILC, ọtọgrafi Igbo, nkeji asụsụ, iwu nsụpe, olundị dị iche iche, okwu mbite, ụdaolu, nkọwa mkpụrụokwu banyere ụtọasụsụ.

**b) Ahụ Ọkọwaokwu**
**i) Isiokwu**
E dejiri isiokwu edeji n'ọkọwaokwu a. E dekọkwara isiokwu niile ọnụ, ya bụ na e depụtaghị ha na nkebiokwu na nkebiokwu. Isiokwu niile ebukwaghị akara ụdaolu dị ka o si dị n'ụfọdụ ọkọwaokwu ọgbara ọhụụ. Ọmụmaatụ: (27) **consider** *vt*. tụlee

**ii) Okwu Nsina Nnweta**
Ọkọwaokwu Nnaji na-edepụta okwu nsina di ka okwu kwụụrụ onwe ya. Ha na-anọpụ iche n'ebe okwu ha si na ya dị. Ọmụmaatụ: (28) **congregation** *n*. igwe mmadụ gbakọrọ n'ụlọ ụka. (29) **congregate** *vt*. bịakọta ọnụ. (30) **bank** *n*. ụlọakụ (31) **bankrupt** *n*. ịnọ n'ụkọ ego.

**iii) Okwu Myinụda**
Ọkọwaokwu a na-ahụta isiokwu ndị yiri onwe ha na nsupe, otu ụda ma nwee mpụtara dị iche dị ka okwu myiwere. Ọmụmaatụ: (32) **bank** *n*. ụlọakụ (33) **bank** *n*. akụkụ ọsimili

**iv) Ọnụọgụ Isiokwu**
Mkpụrụokwu puku iteghete, narị asatọ na iri asaa na asaa (9,877) bụ ihe mejupụtara ya.

**v) Ozi gbasara ụtọasụsụ**
A bịa n'ozi gbasaara ụtọasụsụ, ọkọwaokwu Nnaji nyere naanị nkejiasụsụ okwu ọbụla dị n'ime ya. O nyeghi ozi ndị ọzọ gbasara isiokwu ọbụla.
Ọmụmaatụ: (34) **constitute** *vt*. mebe (35) **corpse** *n*. ozu

**vi) Akụkọ usorookwu**
Ọkọwaokwu a enweghi akụkọ usorookwu n'ihi na ọ bụ ọkọwaokwu nsụgharị. Ọ kọwamighi okwu akọwami. Ya bụ na ọ kọwaghị ebe e si nweta okwu ọbụla na kwa mgbanwo okwu ahụ gabigarala were dị etu ọ dị ugbu a.

**vii) Myinechiche**
Ọkọwaokwu Nnaji agbakwunyeghi okwu ndị ha na isiokwu nwere otu echiche, dị ka okwu mbite maọbụ okwu si n'olundị dị iche iche.

**viii) Ngosipụta**

Nnaji ji eserese dị iche iche were nye nkọwa gbasara isiokwu ya. O jikwa ọtụtụ ahịrịokwu na



nkejiahịrị were mee nke a. Ọmụmaatụ: **melon** *n.* egwusi **melon** *n.* egwusi

**Ch) Ndịnazụ**

Ọkọwaokwu Nnaji enweghi ndịnaazụ ọbụla. Okwu ya niile batachara n'ahụ ọkọwaokwu ya.

**5 Ọdịdị Ọkọwaokwu**

Ọkọwaokwu Nnaji bụ ọkọwaokwu dị n'ụdị akwụkwọ.

**6) Ikikere mbipụta, ụlọọrụ mbipụta na afọ mbipụta**

Akara nhụba ama mbipụta ya bụ ISBN 97830119708; ebe ụlọọrụ mbipụta ya bụ Gonaj Books, Onitsha. Afọ mbipụta mbụ bụ 1985

**Eserese Nkọwa**

| **Akụkụ** | **Ọkọwaokwu Nnaji** | **Ọkọwaokwu Echeruo** |
|---|---|---|
| Oke | ọkọwaokwu nhọrọ | ọkọwaokwu nhọrọ |
| Nsirihụ | gbasoro usoro ndinugbu | gbasoro usoro ndinugbu |
| Nhazi | akọwamighi ọkọwaokwu ya akọwami. O si n'asụsụ Bekee tụgharịa okwu n'asụsụ Igbo. | akọwamighi ọkọwaokwu ya akọwami. O si n'asụsụ Igbo tụgharịa okwu n'asụsụ Bekee; sikwa na Bekee tụgharịa okwu n'asụsụ Igbo. |
| Okwundịnihu | ozi ekele, ndebirisi, mkpọlite, ikikere odee, nhunyere, usoro A B CH, ozi nkwado nke ndi SPILC, ọtọgrafi Igbo, nkejiasụsụ, iwu nsụpe, olundị dị iche iche, okwu mbite, ụdaolu, nkọwa mkpụrụokwu banyere ụtọasụsụ. | nhunyere, eserese ala Igbo, ndịna ọkọwaokwu, ndebirisi, mkpọlite banyere ọkọwaokwu Igbo, ozi ekele na edensibịa. |
| Isiokwu | dejiri isiokwu ya edeji | dejiri isiokwu ya edeji |
| Okwu nsina nnweta | depụtara okwu nsina dị ka okwu kwụụrụ onwe ya | depụtara okwu nsina dị ka okwu kwụụrụ onwe ya |

| | | |
|---|---|---|
| Okwu myinụda | na-ahụta okwu myinụda dị ka okwu myiwere | na-ahụta okwu myinụda dị ka okwu myiwere |
| Ọgụgụ isiokwu | isiokwu ya dị 9,877 | edeghi ole isiokwu ya dị |
| Ozi gbasara ụtọasụsụ | depụtara naanị nkejiasụsụ | depụtara nkejiasụsụ na ụdaolu |
| Akụkọ usorookwu | Enweghi akụkọ usorookwu | enweghi akụkọ usorookwu |
| Myinechiche | edepụtaghị okwu ndị nwere otu echiche. | depụtara okwu ndị nwere otu echiche. |
| Ngosipụta | tinyekwuru eserese iji mee ngosipụta. | ji naanị mkpụrụokwu na ahịrịokwu mee ngosipụta. |
| Ndịnazụ | enweghi ndịnaazụ ọbụla. | ntụ mgbakwụnyere banyere ọnụọgụgụ na okwu nhọrọ dị iche iche |
| Ọdịdị ọkọwaokwu | dị n'ụdị akwụkwọ. | Dị n'ụdị akwụkwọ. |
| Akara nhụbaama mbipụta | ISBN 97830119708 | ISBN 9780264744 |
| Ụlọọrụ mbipụta | Gonaj Books, Onitsha | Learn Africa plc; Ikeja. |
| Afọ mbipụta | 1985 | 2001 |

**Myiri dị n'Etiti ọkọwaokwu Echeruo na ọkọwaokwu Nnaji**

Edemede a gosiri na e nwere ọtụtụ ụzọ ọkọwaokwu Echeruo na ọkọwaokwu Nnaji si yite onwe ha. Ha bụ ndị a:

**1) Oke**

Ọkọwaokwu Echeruo na nke Nnaji bụ ọkọwaokwu nhọrọ. Ebumnobi ha abụghị ikọwa okwu Igbo niile.

**2) Nsirihụ**

Ọkowaokwu abụo a gbasoro usoro ndinugbu. Ha na-akọwa okwu dị ka e si eji ya arụ ọrụ n'oge ugbu a; ha anaghị akọwa nsiripu, nsirigbanwe na nsiridị okwu.

Ọzọkwa, ha haziri ọkọwaokwu ha n'usoro A,B,CH. N'aka nke ọzọ, a bịa n'olu ha, ha na-elegara ọkọwaokwu ha anya dị ka ngwa ọrụ nke onye ọbụla chọrọ ịmata maka okwu ndị a. Ha ahazighi ha ka ọ masị onye ọbụla. ọmụmaatụ: Echeruo: (36) **afọ** *n* (HL) year (37) **baa** *v.* (LH) enter. Nnaji: (38) **abdomen** *n*. afọ (39) **bud** *n*. ome

**4) Ndịna Ọkọwaokwu**

**a) Ahụ Ọkọwaokwu**

**i) Isiokwu**

E dejiri isiokwu ọkọwaokwu Echeruo na nke Nnaji edeji. E dekọkwara isiokwu niile ọnụ. Ya bụ na e depụtaghị ha na nkebiokwu na nkebiokwu. Ọmụmaatụ: Echeruo (40) **ịsha** *n* (HH) crayfish. Nnaji: (41) **bill** *n*. ọnụ nnụnụ

**ii) Okwu Nsina Nnweta**

Ọkọwaokwu abụọ a depụtara okwu nsina dị ka okwu kwụọrụ onwe ya. Ha na-anọpụ iche n'ebe okwu ha si na ya dị. Ọmụmaatụ: Echeruo (42) **courage** *n*. obi sie ike (HL HH HH), **courageous** *ajv* kara obi (HH HL); Nnaji: (43) **limit** *vt*. kpaa oke, **limitation** *n*. ịkpa oke

**iii) Okwu Myinụda**

Ha abụọ na-ahụta isiokwu ndị yiri onwe ha na nsụpe na otu ụda ma nwee mpụtara dị iche iche dị ka okwu myiwere. Ọmụmaatụ: Echeruo: (44) **abụ** *n* (HH) bush cat, **abụ** *n* (HH) belly, **abụ** *n* (HH) companion. Nnaji: (45) **clamp** *n.* ihe e ji ejide ihe; **clamp** *n.* ikpo ede e ji ahịhịa na aja wee lie n'ala maka ichekwa ya.

**iv) Akụkọ Usorookwu**

Ha abụọ enweghi akụkọ usorookwu n'ihi na ha bụ ọkọwaokwu nsụgharị. Ha akọwamighi okwu akọwami.

**5) Ọdịdị Ọkọwaokwu**

Ọkọwaokwu abụọ a bụ ọkọwaokwu dị n'ụdị akwụkwọ.

**Ndịiche Dị n'Etiti Ọkọwaokwu Echeruo na Ọkọwaokwu Nnaji**

**a) Okwu Ndịnihu**

A bịa n'ọkọwaokwu Echeruo, etu a ka okwu ndịnihu si dị: Nhunyere, eserese ala Igbo, ndịna ọkọwaokwu, ndebirisi, mkpọlite banyere ọkọwaokwu Igbo, ozi ekele na edensibịa.

Mana a bịa n'ọkọwaokwu Nnaji, okwu ndịnihu gụnyere: Ozi ekele, ndebirisi, mkpọlite, ikikere odee, nhunyere, usoro A B CH, ozi nkwado nke ndi SPILC, ọtọgrafi Igbo, nkejiasụsụ, iwu nsụpe, olundị dị iche iche, okwu mbite, ụdaolu, na nkọwa mkpụrụokwu banyere ụtọasụsụ.

**b) Nhazi**

A bịa na nhazi, ọ bụ eziokwu na ihe ha dere bụ ọkọwaokwu nsụgharị; Echeruo si n'asụsụ Igbo sụgharịa okwu n'asụsụ Bekee; sitekwa n'asụsụ Bekee sụgharịa okwu n'asụsụ Igbo. Mana Nnaji bụ naanị n'asụsụ Bekee ka o si sụgharịa okwu n'asụsụ Igbo.

Ọmụmaatụ: Echeruo: (46) **alọọ** *n* (HHH) umbilical chord; **cost** *n* ọnụ ahịa (HH HHH). Nnaji: (47) **legate** *n.* onye nnọchi anya.

**ch) Isiokwu**

Ndịiche dị n'isiokwu ọkọwaokwu Echeruo na nke Nnaji bụ na a bịa na nke Echeruo, isiokwu ebughi akara ụdaolu n'elu ha dị ka o si dị n'ụfọdụ ọkọwaokwu ọgbara ọhụụ, kama e depụtara akara ụdaolu n'akụkụ isiokwu ọbụla. Ọmụmaatụ: (48) **arị** *n* (LL) breakfast, **arịrị** *n* (LLL) sorrow.

N'aka nke ọzọ, a bịa na nke Nnaji, isiokwu niile ebughi akara ụdaolu, nke a na-etinye ya n'akụkụ. Ọ bụ naanị nkejiasụsụ okwu ọbụla dị na ya ka o gosipụtara. Ọmụmaatụ: (49) **daughter** *n* ada, **damage** *n.* ọghọm

**d) Ọnụọgụ Isiokwu**

O nweghi ebe e depụtara mkpụrụokwu ole mejuputara ọkọwaokwu Echeruo; mana e depụtara mkpụrụokwu ole mejuputara ọkọwaokwu Nnaji. Ọ bụ mkpụrụokwu ọnụọgụ ya dị puku iteghete, narị asatọ na iri asaa na asaa (9,877) mejupụtara ya.

**e) Ozi gbasara ụtọasụsụ**

A bịa n'ozi gbasara ụtọasụsụ okwu ọbụla nwere dị ka ụdaolu, nkebiokwu na nkejiasụsụ, ọkọwaokwu Echeruo depụtara nkejiasụsụ okwu ọbụla nọ na ya na kwa akara ụdaolu ya. Ọmụmaatụ: (50) **gafeta** *v* (HLH) come over, **ịhụnaanya** *n* (HLHH) love, **asatọ** *num* (LHH) eight

Ka o sila dị, ọkọwaokwu Nnaji bụ naanị nkejiasụsụ okwu ọbụla ka o depụtara. O nyeghi ozi ndị ọzọ. Ọmụmaatụ: (51) **constitute** *vt.* mebe, **corpse** *n.* ozu.

**f) Myinechiche**

Ọkọwaokwu Echeruo tinyechara olundị dị iche iche n'isiokwu iji gosi okwu ndi nwere otu echiche. Ọmụmaatụ: (52) **nshịkọ** *n* (LHH) crab; **abụkọ** *n* (LHH) crab.

N'aka nke ọzọ, ọkọwaokwu Nnaji agbakwunyeghi okwu ndị ha na isiokwu nwere otu echiche dị ka okwu mbite maọbụ okwu si n'olundị dị iche iche.

**g) Ngosipụta**

Echeruo ji naanị ahịrịokwu na nkejiahịrị dị iche iche were nye nkọwa gbasara isiokwu na nkowaokwu ya. Ọmụmaatụ: **ada** *n* (HH) fall

Mana Nnaji ji eserese dị iche iche were nye nkọwa gbasara isiokwu ya. O jikwa ọtụtụ ahịrịokwu na nkejiahịrị were mee nke a. Ọmụmaatụ: **cup** *n.* iko



**h) Ndịnazụ**

Ndịnaazụ ọkọwaokwu Echeruo gụnyere: Ntụ mgbakwụnyere maka ọnụọgụ na okwu nhọrọ dị iche iche. Mana ọkọwaokwu Nnaji enweghi ndịnaazụ ọbụla. Okwu ya niile batachara n'ahụ ọkọwaokwu ya.

**i) Ikikere Mbipụta, ụlọọrụ Mbipụta na kwa Afọ Mbipụta**

Akara nhụbaama mbipụta ọkọwaokwu Echeruo bụ ISBN 9780264744, ebe ụlọọrụ mbipụta ya bụ Learn Africa plc; Lagos. Afọ mbipụta mbụ bụ 2001. Mana a bịa na nke Nnaji, akara nhụbaama mbipụta ya bụ ISBN 97830119708; ebe ụlọọrụ mbipụta bụ Gonaj Books, Onitsha. Afo mbipụta mbụ bụ 1985

**Mmechi**

N'ikpeazụ, site na ntụlekọrịta myiri na ndịiche dị n'etiti ọkọwaokwu Nnaji na ọkọwaokwu Echeruo, nchọpụta e mere gosiri na Echeruo na Nnaji agbasoghi otu usoro nhazi na usoro nkọwa n'ide ọkọwaokwu ha. Nke ọbụla n'ime ha na-aga n'ọwa nke ya. Ihe ọ pụtara bụ na-agbanyeghi na ọkọwaokwu abụọ a na-arụ otu ọrụ, nke bụ ịkọwa okwu dị iche iche, nke ọbụla n'ime ha na-aga n'ọwa nke ya. Nke a gosiri na na-agbanyeghi na ọkọwaokwu niile bụ otu

site, n'ọrụ ha na-arụ na ebumnnobi onye/ndị dere ha, nke ọbụla dị iche maka na ha anaghị agbaso otu usoro nhazi na usoro nkọwa.

**Edensibịa**

Abdi, N. (2016). *Contrastive analysis and error analysis.* Tesolclass.com/applying-sla-theories/contrastive-analysis. Retrived on 24th August, 2017

Carietta, C.F. (2011). *Intelectual prpperty: Basic concepts and principles.* New York: Research Polytechnic Institute.

Darbelnet, J. (1977). Niveaux da la transduction. *Babel translation journal, vol. xxxivi, Nọ. 1, 79-86.*

Dzharasova, T. T. (2020). *English leụicology and lexicography : theory and practice* (2 ed.). Almaty: Al-Farabi Kazakh National University

Echeruo, J.C.(1972). The future of Igbo studies. N'Ọgbalụ, F.CH. & Emenanjo, E.N. (ọhz) *Igbo language and culture vol. 1, 56.* Ibadan: University press.

__________. (2001). *Igbo-English dictionary: A comprehensive dictionary of the Igbo language with an English-Igbo index.* Ikeja: Learn Africa.

Emenanjo, E.N.(1978). *Elements of Igbo grammar*. Ibadan: University press

Enweonye, C.I. (2013). A bilingual grossary of banking and finance terms. *Igbo scholars journal, vol.1, nọ.1,62-69.*

Ezikeojiaku, P. A. (2004). *Lexicography: Theory and practice.*Owerri: Ark Publishers.

Gibbon, D. & Borchardt, N. (2008). Computational lexicography: A training programme for language documentation in West Africa. Na Mbah, B.M. &

Mbah, E.E. (ọhz). *History of linguistics and communication: A festschrift in honour of professor P.A. Nwachukwu,141-160.* Nsukka: Paschal Communications.

Landau, S.I. (1984). *Dictionaries: The art and craft of lexicography*. New York: Scriber Press.

Newmark, P. (1981). Translation of neologism. *Multi-lingua journal of inter language communication,Vol. 5,Nọ. 6, ihu:67-76*.

Nielson, S. (2008). "The effect of lexicographical costs on dictionary making and use". *Lexikos journal, vol.18, 170 – 189.*

Nnaji, H.I. (1985). *Modern English Igbo dictionary with illustrations.* Onitsha: Gonaj Books.

Nwosu, U. (2010). *English/Igbo translation of common medical terms.* Benin: Minder Publishers.

Zgusta, L. (1971). *Manual of lexicography.* Hague: Mounton press.

**Mgbakwụnyere**

**Mpụtara ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ**

| **Igbo** | **Bekee** |
|---|---|
| Nsirihụ | Perspective |
| Nhazi | Presentation |
| Okwu ndịnihu | Front matter |
| Ahụ ọkọwaokwu | Body |
| Isiokwu | Head word (entry term) |
| Okwu nsina | Run on entries |
| Okwu myinụda | Homonym |
| Ọgụgụ isiokwu | Entry counting |
| Ozi gbasara ụtọasụsụ | Gramatical information |
| Akụkọ usorookwu | Ethnology |

| | |
|---|---|
| Myinechiche | Synonyms |
| Ngosipụta | Illustrations |
| Ndịnazụ | Back matter |
| Ọdịdị ọkọwaokwu | Type of dictionary |
| Odide ọkọwaokwu | Leụicography |
| Ikikere mbipụta | Intellectual property right |